IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Daniel na nrọ dị omimi



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Eze, bụ Nebukadneza, rọrọ nrọ, nrọ a wee na-akpagbu ya nke ukwu.  Site n'ike Chineke, Daniel nwere ike ịgwa eze ihe nrọ ya pụtara.





Ihe mbụ Daniel mere bụ ịkọwa nrọ ahụ kpọmkwem.  “Ị hụrụ nnukwu ihe- oyiyi nke nnukwu ihe a tụrụ atụ, Eze.  Ọdịdị ya dị egwu!”

“E ji ọla-edo mee isi ihe atụrụ-atụ ahụ,” ka Daniel gara n'ihu ikwu.



“Eji ọla-ọcha mee obi na ogwe-aka ya.”



“Afọ ya na apata ụkwụ ya bụ ọla-nchara.”



“Ogwe-ụkwụ ya bụ ígwè,
okpuru ụkwụ ya nwere
akụkụ bụ ígwè na
akụkụ bụ ụrọ.”



Mgbe Daniel kọwachara atụrụatụ ahụ nye eze, ọ gwara ya nrọ ndị ọzọ.



Daniel gwara eze sị, "Ị nọ na-ahụ ka a na-egbutu nkume n'ejighị aka ọbụla".



“Nkume ahụ tiri ihe
oyiyi ahụ n'ụkwụ ya nke
ígwè na ụrọ, ma gbajie
ha.”



“Mgbe ahụ, a zọpịara atụrụatụ ahụ ka ọ bụrụ ájá ma fefuo ya.” Daniel kwụsịrị. “Nkume ahụ wee ghọọ nnukwu ugwu nke jupụtara n'ụwa.”



O juru eze anya.  Nke ahụ bụ kpọmkwem ihe ọ rọrọ na nrọ!  Olee otú Daniel ga-esi mara nke ahụ?  Naanị n'ihi na Chineke gwara Daniel.  Daniel wee malite ịgwa eze Nebukadneza ihe nrọ ahụ pụtara.



“Chineke nke eluigwe enyewo gị alaeze, ikike, ike na ebube,” ka Daniel gwara eze. “Ị bụ isi ọla-edo ahụ.”



Daniel gwara eze na alaeze ọla-edo ya ga-akwụsị. Akụkụ ọla-ọcha nke ihe oyiyi ahụ pụtara na alaeze na-esighị ike ga-ewere ọnọdụ ya. Ọla-nchara ahụ pụtakwara alaeze ọzọ.  Ígwè na ụrọ ahụ guzokwaara ala-eze nke anọ.



Ihe ikpeazụ Daniel gwara eze bụ ihe a. "Chineke nke eluigwe ga-eme ka otu ala-eze bilie nke a na-agaghị ebibi ebibi."



Eze ghọtara na ọ bụ naanị Chineke nwere ike inye Daniel amamihe ịmata na ịghọta nrọ ya. Nebukadneza nyere Daniel akụ̀ na ụba ma mee ya onye a ma ama n’ala-eze ahụ.





Ala-eze nke mbụ, nke abụọ, na nke atọ abịala ma pụọ. Ala-eze Chineke ga-abịa mgbe ala-eze nke anọ gachara. Mesaịa ahụ ga-achị n'elu ụwa. Ma nke ahụ nwere ike ịbụ n'oge na-adịghị anya!

Daniel na nrọ dị omimi

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Daniel Isi nke abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.